***Year A #129***

***A Good Forgettery***

***Ọdọ Nchezọ Dị Nma***

***030701-4***

*Daalụ, Ezienyi m!*

*Nke a bụ Dorothy –*

Kedụ ka ebe nchezọ gị jiri dị nma? "Ee," Ị g'asị, "gịnị ka I n'ekwu?" ihe m n'ekwu bụ, m kwesịrị ikwenye ka ọdọ nchekwa echiche m jigidesie ike ihe ndi madụ kwuru ma ọbụ mee m? Ọ dị ịtụ n'anya, eleghị anya, I chezọwo ihe I jere ka I mee mgbe Ị banyere n'ime ụlọ, ma ọbụ ihe I nara achọ ịgwa nwa gị, kama, nihi ụfọdụ ihe, I n'ejidesi ike ihe ahụ nke agwara gị ọtụtụ afọ gara aga! Ị bụ onye ekere agbụ, nihi na ọdọ nchezọ gị adịghị ahapụ mgbe ọbụla. I n'echeta oge nile; I n'eche banyere ọtụtụ ihe oge nile.

Anyị apụghị ijide mgbaghara ka ọ ghara irutere madụ ọbụla, nke ahụ gụnyekwara anyị onwe anyị. Oge ụfọdụ, anyị apụghị ikwenye na anyị mere ụfọdụ ihe! "Oh, echere m na m dịrị nma karịa nke ahụ! Ị pụrụ iche echiche na mụ onwe m mere ihe nke ahụ dị njọ otu a? Ị n'alachị azụ, n'alaghachị azụ, n'alaghachị kwa azụ na ya. Onye nwe anyị n'asị, "Kedụ ọzọ ka Ị n'atụ anya site n'anụ arụ gị karịa nke ahụ?" Ọbụ nganga n'eme ka anyị ghara ịgbaghara. Ya mere, ọdị mkpa nke uku ịghọta na Chineke n'ekwu sị, "Apụghị m ịlụ ọlụ ọbụla site na gị, nihi na Ị bụ onye ekekọtara na okwu banyere ịhụnanya. Mụọ m apụghị ije ozi site n'ime gị." Anyị apụghị ijide mgbaghara ka ọ ghara irutere madụ ọbụla. Onwere onye I n'ejide mgbaghara ka ọ ghara iritere? Ana m ekwu banyere

madụ onye, eleghị anya, kwasoro gị iko n'ike, ma ọbụ, buso gị agha, merụọ kwa gị arụ, mee gị ihe dị njọ nke uku. Ọ dị mkpa na I meziri okwu a n'iru Onye nwe anyị. Nye Chineke okwu a, gbaghara kwa ya n'aha Jisọs, nihi na ha bụ ndi ekere agbụ - ndi ekere agbụ na mmehie na kwa onwe ha.

Na **Ndi Filipaị isi atọ, ahịrị iri n'atọ na nke iri n'anọ,** anyị n'agụ na Amplifaịd –
**13 ...m'nēchezọ ihe nile di n'azu, nēsetipu kwa aka n'ebe ihe nile di n'iru di, ... m'nēchezọ ihe nile di n'azu, nēsetipu kwa aka n'ebe ihe nile di n'iru di.** I ghọtara n'anyị g'eji ihe nile nọ n'ime anyị na:
**14 ...aḅakuru ókè iḅa-ọsọ ka m'we nata ihe anāḅata n'ọsọ nke ọkpukpọ di elu nke Chineke nime Kraist Jisus.** Ọbụghị kwa ịbụ ndi ekere agbụ oge nile site n'iche echiche banyere ụnyahụ. Mgbaghara abụghị gị nwe ya; ọbụ Chineke nwe ya. Chineke nyere anyị mgbaghara mgbe anyị bụrụ ndi ikpe mara, ọbụna tutu anyị mee ihe ahụ, na kwa tutu anyị echegharịa. Ya mere, na **Ndi Kọlọsị isi atọ, ahịrị nke atọ,** anyị n'agụ: **nānagideritanu ibe-unu, were-kwa-nu amara ḅaghara onwe-unu, asi na onye ọ bula nwere ihe ita onye ọ bula uta; ọbuná dika Onye-nwe-ayi were amara ḅaghara unu, unu onwe-unu me kwa otú a.** Nanị site n'amara Chineke ka anyị pụrụ ịgbaghara, chezọọ, hụkwa onwe anyị n'anyị.

Mgbe ahụ, kama itufu mmekọrịta anyị Chineke, bụrụkwa onye mkpọrọ nye nkewapụ iche nke mụ onwe m site na ikwughachị na kwa ibo ebubo, na ịkpọ asị, aga m ekwenye ka Onye nwe anyị were ọnọdụ mbụ na ndụ m. Amaghị ma Ị ghọtara, ma mgbe Ị n'alaghachị azụ na ihe nile, dịka Ị n'akọrọ madụ ọzọ, Ị n'ekesa ọrịa. Ọrịa ahụ dị njọ karịa ihe otiti na nrịanria ndi Ị n'amaghị maka ha

gburugburu gị, eleghị anya, ọbụna oyi ọmụma nke I kesaworo nye ndi ahụ nọ gburugburu gị; ma nkesa ọrịa site n’ọlụ nke ndi mụọ ọjọọ n’abịa site site na ikwughachị ihe anyị n’agaghị ekwenye ka agbaghara madụ ọzọ nihi ha. Anyị n’eche echichiche banyere ya, n’eche echiche banyere ya, n’eche chiche banyere ya. Mgbe ahụ n’etiti otu ihe, mgbe afọ ole n’ole gasịrị, ọ n’apụta kwa ọzọ, anyị n’eche ihe kpatara anyị na Onye nwe anyị adịghị enwe mmekọrịta dị omimi. Ma, ọbụna dịka m n’ekwu ugbua, Ị mara ihe ahụ nke mere. I kwenyebeghị ka Chineke hazie ya; Ị chọbeghị mgbaghara. Mgbaghara, dịka ọ dị, nọ n’etiti mmejọ ihe oge nile. Ọbụrụ na m mere ihe nke mekụtara igwe madụ, mgbe ahụ ekwesịrị ịrịọ Onye nwe anyị ka Ọ gbaghara m, mee kwa ka mụ na ndi ahụ mezie okwu nile, ndi ahụ nke nụrụ g’agbaghara kwa. N’aka nke ọzọ, ọbụrụ na mmejọ ihe ahụ abụghị megide igwe madụ kama nanị otu onye, mgbe ahụ I kwesịrị imezi ya. Ọ dị mkpa nke uku ka anyị ghọta n’ekwesịrị imezi nke a, nihi na ọ g’emebi ihe n’ebe ọ dị uku nye ọganiru nke ime mmụọ; ọ g’egbochi mmejupụta ọhụrụ nke Mụọ Onye nwe anyị.

Enwere akụkụ dị nma na Maịka isi asaa, ahịrị iri n’asatọ na nke iri na iteolu, nke n’asị,

**18 Ònye bu Chineke dika Gi, Nke nēbupu ajọ omume, nāgabiga kwa njehie nke diri ndi ala-nketa-Ya fọduru? O jigideghi iwe-Ya rue mḅe ebighi-ebi, n'ihi na onye ebere nātọ utọ ka Ọ bu.**

**19 Ọ gēchighari, nwe obi-ebere n'aru ayi; Ọ gāzọda ajọ omume nile ayi: I gātubà kwa nmehie nile ha n'ebe dikarisiri omimi nke oké osimiri.**

Onye nwe anyị echezọwo ihe nile anyị mere megide uche Ya. Site na Mụọ Nsọ Ya, anyị pụrụ inweta maka ichezọ ma ọbụrụ n’anyị dị na njikere ịgbaghara, dịka Chineke n’onwe Ya gbaghaworo anyị.

*Nna anyị nke bi n'eluigwe, n'aha nke Onye nwe anyị Jịsọs, ihe ọbụla nke Mụọ Gị n'arụtụ aka na ya n'ime ndụ m ugbua, ana m arịọ ka m nwe ike mezie nke a n'iru Gị. N'ezie, Onye nwe anyị, gbaghara m. Mee ka m nwe ike ịgbaghara ndi ọzọ, mee kwa ka ịhụnanya Chineke jupụta n'ime m, ka ọlụ dị nma nke Mụọ Gị nwe ike mee ihe gabiga ọnọdụ nke a, n'echezọ ihe ndi ahụ nke gara aga, ma n'eche kwa iru, n'achụso ihe ndi nke dị n'iru m.*

*Nihi otuto aha dị ike nke Onye nwe anyị, na Onye nzọpụta anyị, Jisọs Kraịst.*

*Amen.*